# MGBE JISỌS GA-ABIA

### I Ndi Tesalọnaika 4:13-18; 5:1-24.

### IHE-ỌMỤMỤ 412

### Nke Ndi-etiti

**AMA-OKWU IBU N'ISI: ''Ma mgbe ihe ndia malitere ime, lenu anya n'elu, weli-kwa-nu isi-unu n'ihi na ngbaputa-unu nēru nso'' (Luk 21:28)**

**Èchìchè Na-Akasi-Obi**

Onye-nwe-ayị achọghị ka ụmụ-Ya ghara ịmara ezi-okwu nile dị mkpa nke Baịbụl. Ayị na-agụ nime I Ndi Tesalọnaika 4:13; ''Ma ayị achọgh ka unu ghara imara ihe banyere ndi nāda n'ụra ọnwụ, ụmụ-nna-ayị''. Enyere ayị okwu nkasi obi nime Baibụl ka ayị ghara inwebiga nwuta oke mgbe ana esite n'ọnwụ napụ ayị ndi ayị hụrụ n'anya. Ndi na enweghi nzọpụta na eru-uju na-akwa kwa àkwà dị ilu nke uku mgbe ọnwụ na-ewere ndi ha hụrụ n'anya, ma ọ dịghị otú ahụ n'ebe ndi Kraist nọ. Ọnwụ nke eyi ma-ọbụ otù onye nime ezi-na-ulo adịghị eweta oke mwuta nye onye Kraist, mana nkasi-obi dị na obi onye Kraist ahụ n'ihi na asị na onye ahụ nwụrụ anwụ nwere nzọputa ya na Jisọs nọ n'Elu-igwe, ayị ga-ahụ kwa ya ọzọ. Ọ bụ ezie na ayị agaghị aghọta ihe na-eweta ihe ndia, ayị adighi eru-uju dịka ''O nēwuta ndi fọduru, ndi nēnwegh olili-anya''. Onye Kraist akpọworo òkù ọnwụ nwere olile-anya dị ndụ n'obi ya na ya onwe-ya ga-esi n'ọnwụ bilie otù ụbọchị. N'ihi na Jisọs si n'ili bilie, ndi nile kwere na Ya ga ebili kwa n'ọnwụ. Jisọs kwuru si: ''Mu onwem bu nbilite-n'ọnwụ na ndụ: onye nēkwere na Mu, ọbụná na asi na ọ nwụrụ anwụ, ọ gādi ndụ ọzọ''. (Jọn 11:25).

**Mgbe Jisọs Ga-abia**

Pọl onye ozi na-akọwara ayị n'ụzọ doro anya maka ọbịbịa nke Jisọs ịkpọrọ nwunye-ọhụ Ya laa. Ọ dịghị ihe mgbagwoju anya dị n'ikwu sị na ọbịbịa nke Jisọs bụ ezi-okwu, dịka ndị mụọ-ozi kwupụtara Ya na nrigo n'Elu-igwe Ya: ''Jisọs nka, onye anapụrụ n'ebe unu nọ rigo n'Elu-igwe, gābia n'otù aka ahụ dịka unu kiriri Ya ka Ọ nāga n'Elu-igwe'' (Ọlụ Ndi-ozi 1:11). Ayị na-agụ na ''ayị onwe-ayị bú ndi nọ na ndụ, ndi anārapụ rue Ọbịbịa nke Onye-nwe-ayị, na ayị agagh-eburu ndi dara n'ụra ọnwụ ụzọ ma-ọlị.'' Ihe ndi-ọzọ mkpụrụ okwu a bú agaghi-eburu-ụzọ pụtara bụ mgbochi ma-ọbụ ịga-n'iru. ''N'ihi na Onye-nwe-ayị onwe-ya gēwere oké ikpọ-òkù, were olu isi-mọ-ọzi, were kwa opi nke Chineke, si n'elu-igwe ridata: ndi nwụrụ nime Kraist gēbu kwa ụzọ si n'ọnwụ bilie: mgbe ahụ ayị onwe-ayị, bụ ndi nọ na ndụ, ndi anārapụ, ayị na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayị nime mbara-elu-igwe: otú a ka ayị na Onye-nwe-ayị gānọ kwa mgbe nile''. Nka ọ bụghị olile-anya dị ebube na èchìchè na-enye ọñụ?. Ma ọ bụ nanị ndi ahụ jikere ga-anụ ịkpọ òkù ahụ, ụda nke opi ahụ. Ndi ọzọ ka aga arapụ. N'akwụkwọ Luk 17:34-36, ayị na-agụ banyere madụ abụa nke ga-edina n'elu otù ihe-ndina: aga-ewere otù nime ha, rapụ ibe-ya: ndinyom abụa gana-egwekọ nri n'otù ebe: aga-ewere otù nime ha, ma agarapụ ibe-ya; madụ abụa ga-anọ kwa n'ubi, aga-ewere otù rapụ kwa ibe-ya. Le oké iru-uju nke ana-apụghị ịkọwa nke ga-adakwasị ndi aga-arapụ ka ha ba n'Oke Mkpagbu ahụ! Le otú ọ na-eme ka madụ ma jijiji nke uku n'ihi egwu nke isoro na ndi aga-arapụ n'azụ. Ma ọbụná dịka èchìchè a si dị oké-egwu, agaghị atụnyere ya na oke ntarama-ahụhụ nke na-echere mkpụrụ-obi ahụ nke na-elezighi-anya ijikere ma aga-eziga ya na ebe ntarama-ahụhụ ahụ nke Okwu Chineke na-akụziri ayị na ''Ọkụ ya adịghị anyu-kwa-anyu.''

**Dị ka Onye-Ori**

Akụkụ nke mbụ nke ebe ọgụgụ ayị bụ maka nkasi-obi-ayị, ma akụkụ nke abụa nwere ịdọ-aka-na-ntị. Le otú Onye-nwe-ayị ga-abiawororị na mberede! Dịka onye-ori na abalị! Onye-ori pụrụ iji nwayọ meghepụ windo wee baa nime ulo na-emeghị ka ndi ezi-na-ulo na-ararụ ụra teta. Ma mgbe Jisọs bịara Ọ gaghị aba na ezi-na-ulo nile kama ''Ọ ga-eweliko ayị....izute Onye-nwe-ayị nime mbara-elu-igwe.'' dịka maginet uku, Jisọs ga-adọrọ ndi nọ na njikere nye Onwe-Ya, ndi aga-arapụ na-azụ ga-amata na mberede na Otú Onye abịawo zuru ''ihe ndi ahụ di oké ọnụ ahịa.'' ''Ha gābu kwa nkem, n'ụbọchị ahụ mgbe Mu onwem ganēme ihe'' (Malakai 3:17). Mgbe ana-eleghị anya Ya, Onye-nwe-ayị ga-abịa. Na Matiu 25, ayị nwere ihe na-atụ aka maka ọbịbịa nke Onye-nwe-ayị mgbe

ụmụ agbọghọ iri ‘‘rubere ụra we rapụ.’’ Ma na-etiti abalị iti-mkpu dara, ‘‘Le, onye nālu nwunye ọhụ! Pụtanụ izute ya.’’

**Ihe-Ịriba-Ama**

Otù ụbọchị ndi na eso ụzọ Jisọs jụrụ Ya sị: Gwa ayị òlee mgbe ihe ndia gābu? Gini gābu kwa ihe-iriba-ama nke ọbịbịa-Gi, na nke ọgwụgwụ oge a? (Matiu 24: 3-12). Jisọs gwara ha na agha, ụnwụ, ajọ ọrịa n’efe efe, ala-ọma-jijiji na ndi àmụ̀mà (Ozizi) ụgha ga-adị, ihe na-emebi iwu ga-aba kwa ụba n’elu ụwa. Ihe ndia nile emezuwo. Nime narị arọ abụa ndia (site na 1800 rue 1999) ọnụ ọgụgụ ala-ọma-jijiji na-aba ụba nke uku. Ihe-ịrịba-ama ndi ọzọ nke na ekwupụta ịdị nso nke Ọbịbịa Jisọs bụ: nganga nime ụmụ madụ, okwu ụgha, nkwulu, madụ ịnupurụ ndi mụrụ ha isi, ịhụ ego n’anya, ịhụ ihe-ụtọ n’anya karịa ịhụ Chineke n’anya. Ụmụ-okoro-nta na ụmụ agbọghọ-nta ndi na-enwebeghị nzọppụta nwere amam-ikpe site n’ihe ndia nile.

**Iche Nche**

‘‘Ya mere otù a, ka ayị ghara irarụ ụra, dịka ndi fọduru, kama ka ayị nēche nche nwe kwa anya-udo.’’ Nka apụtaghị na ayị ga-amụrụ anya n’abalị na ezughị-ike. Jisọs chọrọ ka ayị mụrụ anya maka ịdị-mkpa nke ịnọ na njikere dị. Mgbe azọpụtasịrị ayị, aga-edo-kwa ayị nsọ zuru oké, ayị ga-anata kwa Mụọ Nsọ. Ayị matara na-ụbọchị taa dị njọ, ayị ga-amụrụ anya nọrọ kwa na nche n’ihi nke a, ayị gana-eche nche,na-ekpe ekpere, na-agụ kwa Okwu Chineke kwa ụbọchị ịhụ na ayị nọ na njikere. Ayị gāna enyocha obi ayị ịhụ na ọ dịghị bataworo n’obi ayị igbochiri ayị ịnọ na njikere. Okwu ma-ọbụ omume nke ana-elezighi anya pụrụ ịdọpụ ayị site n’ebe Onye-nwe-ayị nọ. Akụkụ nke ikpe-azụ nke ebe ọgụgụ ayị nwere ndụmọdụ nke ga enyere ayị aka ijikere. Ndụmọdụ ndi a abụghi maka ndi mmehie kama ha bụ maka ndi Kraist. Ozi a bụ maka ‘‘ụmụ nna nime Kraist’’... ndi ahụ na-achọ izute Jisọs mgbe Ọ ga-abia. Ka ayi kpachapụ anya gụa ha nke ọma, n’ihi na ama-okwu ndi ahụ dị mkpụmkpụ di kwa mfe na-ịghọta. Pọl onye ozi mechiri Okwu-ya site na-ikwu si na ekpere-ya nye Chineke bụ ka edebezu kwa ayị ‘‘nādigh ịta ụta n’ọbịbịa nke Onye-nwe-ayị Jisus Kraist. O kwesịrị ntụkwasị-obi, bụ Onye ahụ nākpọ unu, Onye gēme kwa ya.’’ I nọ ‘‘nādigh ịta ụta’’ bụ ọnọdụ dị elu nke uku, ma ayị ga-agbalịsị-ike inweta ya. Pita dere akwụkwọ ozi banyere ndi ahụ na-ele anya ọbịbia nke Jisọs, sị, ‘‘Ebe unu nēle anya ihe ndia, nānunu ọkụ n’obi ka ewe hu unu n’udo, ndi nēnwegh ntupọ, ndi anāpugh kwa ịta ụta n’iru Ya’’ (II Pita 3:14).

**Ijikerewo Ka Ọ bụ Na Ijikerebeghi**

Ncheta nke ọbịbịa Jisọs Ọ̀ na-ewetere gị ọñụ̀ na-obi-gị? Dịka ịna-ahụ ihe ịrịbama nke ọbịbịa-Ya na-aba ụba gburu-gburu gị, ọ̀ dị gị ọkụ na-obi ka Ọ bịa? Atụmatụ gị na ọchịchọ gị nye ọ dị-n’iru Ọ̀ na-eme-kwa ka ị na eche ọbịbịa nke Kraist dị nso? Atụmatụ nile nke ndụ-ayị kwesịrị ịdị na-atụghari uche n’ọbịbịa nke Kraist, ‘‘Ọ bụrụ na Onye-nwe-ayị chọrọ,’’ ma-ọbụ, ‘‘ọ bụrụ na Jisọs anọọ ọdụ.’’. Ma-ọbụ èchìchè nke ọbịbịa-Ya ọ na-eweta egwu na ụjọ na-obi-gị? Ị̀na-eche na Ọ gaghị abịa ugbua? Ọ̀chịchọ gị ọ bụ na ihe nke ụwa? Ọ̀chịchọ maka ọ dị-n’iru o jupụtara obi-gị nke bụ na agụụ-gị bụ ka Jisọs nọ kwue ọdụ tụtụ Ọ bịa? Ụdị madụ abụa ka akọwara na-ebe ọgụgụa: ụmụ nke ihè na ụmụ nke ọchịchịrị. Òlee òtù nke ịno na ya? Iso na òtù ‘‘ndi na-eche nche’’ ka-ọbụ ‘‘ndi ahụ nararụ ụra?’’ Chetakwa, na ọ bụ nanị ndi ahụ jikeworo ga-anụ ‘‘ụda opi ike nke Chineke’’ mgbe Ọ ga-abịa ịkpọrọ ndi nsọ-Ya.

**AJỤJỤ**

1. Òlee ndi ga-anụ iti-mkpu ahụ mgbe Onye-nwe-ayị ga-abịa ?
2. Òlee ndi ga-ebu ụzọ bilie izute Ya na mbara Elu-igwe?
3. Gịnị ka ọ pụtara bụ ‘‘ida n’ụra ọnwụ nime Jisọs’’?
4. Òlee otú ịbịa na mberede nke Jisọs ga-adi?
5. Gịnị ka ọ pụtara bụ ‘‘ụmụ nke ihè’’?
6. Gịnị ka ayị ga-eme ka ayị wee jikere maka Ọbịbịa nke Jisọs?
7. Gịnị ka ọ pụtara bụ ‘‘inyeghachi ihe ọjọ na ọnọdụ ihe ọjọ’’?
8. Na akụku ikpe-azụ nke isi nke ise na ebe ọgụgụ a, gịnị bụ ihe ise ahụ asịrị ka ayị na-eme?
9. Kpọọ aha ihe iriba-ama asatọ ndi na-agwa ayị na ọbịbia nke Kraist dị nso.